# ANYAUKWU: ỌNỌDỤ A HỤRỤ NA NDỤ NDỊ MMADỤ DỊKA E SIRI HỤ YA N'EJIJE NDỊ ỤFỌDỤ

**Ayozie, Chioma R.**
Directorate of General Studies
Federal University of Technology, Owerri
E-mail: ayoziechioma2014@gmail.com

## Ụmịedemede

Ndị Igbo kwenyere na ezi ndụ ka mma karịa ajọ ndụ n'ihi ma ndụ ọma na ndụ ọjọọ nwere ụgwọ na-eso ha. Ọ ka mma na mmadụ nwetara ezigbo ụgwọ ọrụ sitere na ndụ ọma karịa ntaramahụhụ sitere na ndụ ọjọọ. Na ndụ ndị Igbo na omenala ha, o nwere omume maọbụ agwa ọjọọ ndị ha na-ahụta dị ka ihe jọgburu udele na njọ. Ụfọdụ agwa ndị a gụnyere anyaukwu, igbu mmadụ, izu ohi, ntọ mmadụ dgz. Nchọcha a, gbakwasịrị ụkwụ n'anyaukwu dị ka otu n'ime agwa ọjọọ ndị Igbo na-agbarụrụ ihu. Mbawanye anyaukwu bụ okwu a kpụ n'ọnụ n'ala Igbo taa. Nke a mere ka ebumnuche nchọcha a bụrụ ịchọpụta ihe na-akpata anyaukwu na ntaramahụhụ na-esi n'anyaukwu apụta, ụzọ a ga-esi ebelata anyaukwu, ụzọ dị iche iche ndị odee ejije Igbo a họọrọ siri zipụta anyaukwu na ntaramahụhụ so n'ejije ha, ya na-etu a ga-esi amata ntaramahụhụ ndị ahụ site n'ihe ndị mmadụ derela n'ejije Igbo. Ihe e ji mee nchọcha a bụ akwụkwọ ejije Igbo atọ ndị a họọrọ nke gụnyere Obidiya nke Akọma (1977) dere, Ọkụ Ghara Ite (1988) nke Goddy Onyekaọnwụ dere na Akwa Nwa (1979) nke Chukuezi dere. Atụtụ nchọcha a gbasoro bụ atụtụ ngụgọ iji nyochaa agụmagụ ndị a. Atụtụ a na-akọwa ka odee si webata nkwenye ọ ma, ma jiri ya na-akwado omume agwa dị iche iche n'edemede ya. Usoro nchọcha a gbasoro bụ nchọcha nke sọvee. Site na nchọcha e mere, a chọpụtara na ọtụtụ ndị mmadụ anaghị eche ntaramahụhụ na-eso agwa ọjọọ ụfọdụ ha na-akpa. N'ikpeazụ, onye nchọcha chịkọtara nchọcha ya site n'inye ndụmọdụ ka onye ọbụla na-enwe afọ ojuju n'ihe ọbụla o nwere, ọ dịkwa mkpa ka nne na nna ruo ụmụ ha nso iji mata nsirihụ ụwa ha na ụdị agwa ụmụ ha na-akpa. Nke a ga-enyere ha aka ịmata etu ha ga-esi dụọ ha ọdụ maọbụ gbaziere ha oge o kwesịrị.

## Abstract

The lgbo people have the belief that good character is better than bad character because both good and bad character have their reward. lt is better to be rewarded because of good character than bad character. ln the lgbo setting, there are certain character that are abhored. Such character include: greed, murder, stealing, kidnapping etc. The increase of these societal vices prompted this research. The researcher specifically wants to base this study on greed using three drama texts: *Obidiya* by Akoma (1977), *Akwa nwa* by Chukuezi (1979) and *Oku ghara ite* by Onyekaonwu (1988) to find out what greed is all about, why people embark on greed, to find out whether there are consequences emanating from greed etc and how the writers portrayed the above. The study is anchored on the mystical of Abrams (2005) as the theoretical framework. The theory gives insight on how the writers bring in the beliefs of the people into their texts to justify the conducts of different characters in their texts. The study is a descriptive one. The findings among others include, people don't always realise that there are punishments that await greed. The study suggests that people should be contented with whatever they have; parents should always be in close contact with their children to counsel and direct them on the way to live in other to avoid greed. The paper is concluded by achieving the aim of the study which is finding out what greed is all about, its reasons, consequences etc.

## Ndubata

Ejije bụ otu n'ime ụdị agụmagụ atọ e nwere n'asụsụ Igbo. Abụọ ndị ọzọ bụ Iduuazị na Abụ. N'oge mbụ ejije bụ naanị nke ọdịnaala, nke pụtara na edeghị ya n'akwụkwọ ebe ndị mmadụ ga-ahụ ya, wee gụọkwa. Ma ugbu a, atụgharịala ụkwụ egwu n'ihi na nkwa dagharịrị. Ejije abụghịzikwa nke ọdịnaala naanị kama ọ gụnyezikwara nke ugbu a, ya bụ ederede. De Craft (1976) dịka e depụtara ya n'akwụkwọ Dike (1989) kwuru na "ejije na-esite na ndụ a na-ebi kwa ụbọchị, nke ọtụtụ ihe na-eme na ya nke a na-ahụ anya, nke anaghị ahụ anya, nke e nwere ike ijide aka na nke e nweghị ike ijide aka, ka ọ (ejije) na-achọ igosipụta. Ọ gara n'ihu kwuo na ihe ejije jiri bụrụ nka pụrụ iche abụghị naanị na ọ na-enwe ike ijiri ihe na-eme na ndụ e mere ngwaọrụ ya, kama ọ bụkwa na ọ na-ejiri n'ezie, ahụ, agwara na omume mmadụ e mere ụzọ ngosipụta ya".

Nwadike (1992) n'aka nke ya sịkwa na "egwuregwu bụ ejije mmadụ na-eje ekere (man's imitation of nature) nke na-egosi ya (mmadụ) ihe ọ na-eme. N'ejije na-eleba anya na ndụ ndị Igbo, kọchaa ihe ọjọọ, gbazie mgbazi ma kuzie nkuzi e ji adị ndụ". Nke a pụtara n'ejije ka ndị Igbo ji egosipụta na ha kwenyere na ịdị ichu, ịdị ike na inwe afọ ojuju bụ ihe a tụrụ anya na nwafọ Igbo ọbụla ga-enwe. Ihe ndị a bụ ihe ga-agbazi ya na ebimndụ ya. Mana n'oge ugbu a, agwa ọjọọ ọkachasị anyaukwu, oke ọchịchọ na inwe akụnaụba n'ike n'ike n'ụzọ ezighị ezi jupụtara ebe niile, n'agbanyeghị na ndị Igbo kwenyere na onye rụọ o rie, kama ọ bụ enweghị ndidi, umengwụ na enweghị ịgba mbọ butere anyaukwu, nke a mere ka ụfọdụ mmadụ ji egbuzi mmadụ ibe ha n'ihe akụnaụba nke ụwa.

Anyaukwu bụ ihe jọrọ njọ ma na-ebute ọtụtụ nsogbu na ntaramahụhụ nke na-eweta ngaramara n'ikpeazụ. Ụfọdụ ndị anyaukwu aghọtaghị na ọrụ niile nwere ụgwọ, ma ọrụ ọma ma nke ọjọọ. Nwanchọcha chọpụtara na ọtụtụ ndị odee agụmagụ Igbo na-esite n'akwụkwọ agụmagụ ha na-ezipụta ajọ akparamagwa a bụ anyaukwu na ntaramahụhụ dị iche iche so ya. Ebumnobi ha bụ ka ha si n'ọrụ nka ha katọọ anyaukwu ma gbaziere ọhanaeze ezi usoro ebimndu. Ọ bụ ọnọdụ a kpalitere mmụọ nwanchọcha n'ileba anya n'ụzọ dị iche iche ndị odee ejije Igbo a họọrọ si zipụta anyaukwu na ntaramahụhụ so ya. Nchọcha a ga-abara ọhanaeze uru site n'ime ka ha mata na anyaukwu bụ ajọ agwa, ekwesịghị ka mmadụ ọbụla na-akpa.

## Agụmagụ

Agụmagụ abụghị ọbịara ọhụrụ n'ala Igbo. Ọ bụ ihe ya na Igbo so bido mana ihe dị iche abụrụ na ọ bụ agụmagụ ọnụ ka e nwere tupu ọbịbịa ndị ọcha. Ọ bụ ndị ọcha bụ ndị kuziri anyị etu e si ewere agụmagụ ọnụ a tinye ya n'ụzọ ederede. Chinagorom (2013:7) kọwara agụmagụ dịka "iji asụsụ dị mma dịkwa ogo wepụta ihe ọbụla e dere ede ma ọ bụ nke e kwuru ekwu". Ụzọchukwu (2004:4) kọwara agụmagụ dịka "iji asụsụ wepụta nkamma bụ ihe dịkasịrị iche n'agụmagụ na ihe ọmụmụ ndị ọzọ". Okafọ na Ewelụkwa (2012:303) n'echiche nke ha kọwara agụmagụ dịka:

> Echiche miri emi nke mmadụ chere gbasara isiokwu ọbụla, nke e jiri asụsụ nka kọwapụta. Ọ bụ ihe niile e dere ede maọbụ ihe niile a kọrọ n'ọnụ n'ime otu obodo maọbụ n'otu oge. Agụmagụ bụ akụkọ, abụ maọbụ ejije nke na-enye mmadụ obi añụrị, afọ ojuju,

> amamihe na-ezi echiche. Ọ bụ ihe odide niile nke e chere bara uru site n'ọkpụ ruo n'ọkpụ, bịa dị ezi mma, na-akpalite mmụọ ndị mmadụ.

Site n'ihe ndị odee dere gbasara agụmagụ gosiri na agụmagụ bụ ọrụ nka nke sitere n'echiche pụta ma bụrụ nke e si na ya egosipụta ihe ọ bụla ederede maọbụ nke a kọrọ n'ọnụ. Agụmagụ bụ enyo e ji ahụ ihe na-eme n'ụwa nakwa ụzọ e si egosipụta echiche gbasara ọnọdụ ihe na-eme n'ụwa taa. Agụmagụ nwere ngalaba atọ ndị gụnyere: Iduuazị, Ejije na Abụ. Mbah, Mbah, Ikeokwu, Okeke, Nweze, Ugwuona, Akaeze,Ọnụ, Eze, Prezi na Odii (2003:6) kwuru na "ejije dịka ngalaba maọbụ ụdị agụmagụ na-adị n'ụdị mkparịtaụka, bụ nke a na-egosipụta site na njije, emereme na omume omongu (hụkwa egwuregwu)". Nke a pụtara na ejije na-arụtụ aka na ndụ ndị Igbo, omume mmadụ, ọnọdụ, agwa ọma mmadụ, agwa ọjọọ dgz. Kọchaa agwa ọjọọ, gbazie mgbazi ma kuzie nkuzi e ji adị ndụ. Ebe odee ga-elekwasị anya bụ na agwa ọjọọ ndị mmadụ na-ebi n'ụwa.

## Agwa Ọjọọ

Ụwa Chineke kere jupụtara na mmadụ. Mmadụ ndị a niile dị mkpa maka na ọ bụrụ sọọsọ otu onye ka Chukwu kere n'ụwa ma hapụrụ ya ụwa niile ka so ya biri na ya, ndụ ga-ahịa ya ahụ. N'ihi ya, ọtụtụ mmadụ jupụtara n'ụwa, na-ebikọ ndụ ọnụ ma na emekọ ọtụtụ ihe ọnụ. Mana ọtụtụ mgbe, ọ bụghị ihe akị ilu na ada na nti ka ọ na-atọ n'ọnụ. Nsogbu jupụtara n'elu ụwa bụ mmadụ na-ebute ha niile. Mgbe mmadụ na-ebikọ ọnụ, nsogbu dị iche iche na-adị adapụta. Nsogbu ndị a na-ebute agwa ọjọọ dị iche iche. Ofomata (2010:412) kọwara "agwa ọjọọ dịka mmadụ ịkpa agwa maọbụ ime omume ndị mmadụ kpọrọ asị maọbụ jụ ịnabata n'etiti ha. N'ihi nke a, a ga-asị na agwa ọjọọ bụ omume ndị ọha mmadụ maọbụ ọha obodo hụrụ dịka ndụ ezighi ezi".

Okafor (2011:206) kwuru na "agwa ọjọọ bụ ihe adịghị mma ụmụaka na-eme. Ọ bụ ime ihe ọjọọ nke obodo na-asọ nsọ". Site na nkọwa ndị a, o gosiri na agwa ọjọọ bụ mmadụ inwe obi ọjọọ n'ihe mmadụ nwere. Onye ọbụla na-anaghị enwe obi ọcha n'ebe mmadụ ibe ya nọ na ndụ mmadụ ibe ya nakwa n'ihe mmadụ ibe ya nwere jọgburu onwe ya na njọ. Nke a na-eme ka mmadụ malite chewere onye o nweghị ihe ọ bụla o mere ya echiche ọjọọ maọbụ malite nwewe ntajianya n'ebe mmadụ ibe ya nọ. Agwa ọjọọ na-ebute ọtụtụ omume ọjọọ dịka izu ohi, ekworo, ntajianya, mmegbu, anyaukwu, ịkpọ mmadụ ibe gị asị, ịkatọ mmadụ.

Agwa ọjọọ a juru eju ma barakwa abara. Mana ederede a chọrọ ịgbakwasị ụkwụ n'otu n'ime agwa ọjọọ nke bụ anyaukwu.

**Ihe Anyaukwu bụ**

Ihe a na-akpọ anyaukwu bụ ajọ ihe. Ọ bụrụ na anyị ahụ onye anya ya pụtara ihe, dị ogbe dịka ogbe oroma maọbụ añara bekee, ọ ga-adị mma ile anya? Onye dị otu a ga-ajọ njọ nke ukwuu, mmadụ niile ga-agbanarị ya n'ihi na ọ ga-eme ka mmadụ tụọ egwu. Onye ọbụla nke bụ onye anyaukwu, ọ bụ ezie na mkpụrụ anya ya adịghị etu a, ma n'anya Chineke, mkpụrụobi ya dị etu a. Ọ dịghị ihe na-eju onye anyaukwu afọ. Ọ bụrụ na o nwere ihe ga-eju ụlọ, ọ ga na-achọkwa ihe ọzọ. O rijuo afọ, ọ ga-achọkwa ịnara nwa ogbenye ihe nta o nwere. Ọ bụrụgodu na onye anyaukwu enwezuo ụwa a, ọ ga-asị na ọ dịghị ihe o nwere n'ihi na ọ na-achọ ihe ọzọ.

Hornby (2006:653) kọwara "anyaukwu dịka inwe mmasị n'ebe ihe onwunwe mmadụ nọ, dịka akụnaụba, ike, ego dgz. karịa ka o kwesịrị inwe. Ọ kọwakwara ya dịka mmadụ ịna-achọ ka ọ na-enwe ihe niile mgbe ọ bụla ọ chọrọ ya" Ross (2005) sịrị na "anyaukwu" bụ ajọ ihe dị n'ime mmadụ nke na-eme ya ka ọ na-achọ inwe ọtụtụ ihe dị iche iche na-enweghị afọ ojuju. Ọ sịkwara na anyaukwu abụghị naanị ihe gbasara ego kama ọ bụ ihe onwunwe mmadụ nakwa ihe mmetụta mkpụrụobi. Meher (1967:27) hụtara "anyaukwu dịka nnukwu ọrịa, nke bụ ọ malite inye be onye nwere ya nsogbu, ọ gaghị enweta ọgwụgwọ. O kwukwara na ọ dị mma ka onye ọbụla jide onwe ya aka n'ihi ntaramahụhụ so n'anyaukwu na-apụtakarị ihe mgbe ọ gbajuru dọrọ". Eụeter (1963:44) jiri akụkọ were zipụta ndụ onye anyaukwu. Akụkọ a bụ maka otu nwoke bụ onye anyaukwu, nke na-akwa akwa kwa ụbọchị, sị na ọ na-achọ olaedo. Kwa ụbọchị, ihe ọ na-ekwu bụ "Nye m ọlaedo, nye m ọlaedo, a na m achọ ya, ụlọ akụ m ejubeghị, nye m ego nye m ọlaedo". Kwa afọ ego ya ana-aba ụba ma afọ adịghị eju ya. O ruo otu ụbọchị, mmadụ ụfọdụ wee sị na nwoke ahụ agaghị esogbu ha ọzọ, ha wee chịrị ọtụtụ ọlaedo tinye n'ọkụ gbazee ya, ha bia jide onye anyaukwu ahụ nyaghepụ ọnụ ya, ruba ọlaedo ahụ n'afọ ya, ka afọ ya wee ju n'ọnụ otu mgbe. Mgbe o ji ñụọ ọlaedo ahụ, ñụjuo ya afọ, o wee nwụọ n'otu mgbe ahụ. Site n'akụkọ a, ọ bụ ihe dị etu a kwesịrị ndị anyaukwu. Ndị na-anara ụmụ ogbenye ihe ha, na-atụkwasị n'ọtụtụ ihe ha nwere, eleghị anya afọ ga-eju ha, ma ọ bụrụ na e jide ha, rụba ego ukwu n'afọ ha.

Ọfọmata (2003) zipụtara anyaukwu na ntaramahụhụ so ya na iduuazị ya bụ *Ihe Onye Metere*. Ọ kọwapụtara n'ụbọchị onye anyaukwu na-emeghị ihe ọjọọ na obi anaghị adị ya mma. Mana ọ bụrụ na o mee ihe ọjọọ na ahụ na-adị ya mma". Nwanchọcha kwenyere na nke a n'ihi na ọ pụtara ihe na ndụ Nwohia, Okechi na Ọnwụha n'ihi na anyaukwu batara na ndụ Nwọhịa, Okechi na Ọnwụha, naanị nkata ọjọọ etu ha ga-esi gbuo Ọhahụrụ bụ ihe na-abata ha n'obi. Onyekaọnwụ (1986) kọwara anyaukwu dị ka ajọ omume n'agụmagụ ya bụ Ụwa Ntọọ. Onyekaọnwụ bụ onye kpọrọ ihe ọjọọ asị ma gbaa mbọ na-agba ya n'anwụ. Onyekaọnwụ gosipụtara anyaukwu n'ebe ndụ Agameevu nọ. Agameevu onye anyaukwu natara oke ntaramahụhụ n'ihi ọbara Ebubedike ọ kwafuru kworo maka mmasị o nwere n'ebe nwunye Ebubedike bụ Ọnụkwube nọ.

Ogbalụ (2009:67) kọwara na "anyaukwu bụ ajọ agwa ụmụ Igbo n'agbarụrụ ihu. O kwuru sị na ndị Igbo nwere nnukwu nkwenye na ike dị n'ala. Ọ bụ ya ka ha ji asọpụrụ ma na-efekwa ya ofufe dịka chi. N'ihi ya, anyaukwu tụmadị n'ebe ala dị bụ arụ nye ala". Nwanchọcha kwenyere n'ihe Ọgbalu kwuru n'ihi na ndị Igbo kwenyere na ike dị n'ala. Nke ọzọ a bụrụ na anyaukwu n'ebe ala dị, abụghị ihe nwafọ Igbo kwesịrị ịdị na-eme, n'ihi na ha kwenyere na chi ala ga-egbu onye ọ bụla gburu mmadụ kworo n'ihi anyaukwu, onye ahụ ga-anatakwa ntaramahụhụ dịịrị ya.

Site na nkọwa e nyere, o gosiri na anyaukwu bụ mgbe mmadụ enweghị ndidi maọbụ afọ ojuju n'ihe o nwere, n'ihi na ka ọ na-enwe, ka ọ na-achọ inwe gaa n'ihu. Ụdị agwa a bụ agwa jọgburu onwe ya nke na-eme ụbọchị ọbụla onye anyaukwu na-emeghị ihe ọjọọ, obi anaghị adị ya mma, n'ihi anyaukwu bata na ndụ mmadụ naanị nkata ọjọọ ka ọ na-eche, nke na-ebute ịnara mmadụ ibe ha ihe ha nwere n'ike ọkachakwa ụmụ ogbenye, igbu mmadụ, ịgwọ ọgwụ, inye nsi, ịtọ mmadụ, izu ohi dgz. Mana mgbe mmadụ tinyere uche ya na ihe onye ọzọ, mara na ọnwụ abịala n'ihi na onye na-akpa ụdị agwa a, anaghị ebite aka n'elu ụwa, Obi anaghị eru ha ala, ha na-anwụ ọnwụ ihere, naanị ihe na-abịara onye anyaukwu n'obi bụ mpụ ọ ga-eme ka o wee megide mmadụ ibe ya na-amaghị na ihe onye metere ga-abịara ya. Ụfọdụ na-eche na ihe ha metere ga-adịrị ụmụ ha mana ugbu a, onye mere nke o mere na-anata ntaramahụhụ ihe o metere.

**Ihe na-Akpata Anyaukwu**

**Oke Ọchịchọ:** Ọtụtụ ndị mmadụ nwere oke ọchịchọ na ndụ ha nke bụ enweghị afọ ojuju n'ihe ndị ha nwere. Ha nọrọ, obi ha anọrọ na ihe onye ọzọ nwere nke a na-akpata anyaukwu.

**Ntajianya:** Mmadụ inwe obi ọjọọ n'ihe ọma mere mmadụ ibe ya. Onye ọbụla na-anaghị enwe obi ọcha n'ebe mmadụ ibe ya nọ, na ndụ mmadụ ibe ya, n'ihe mmadụ ibe ya nwere jọgburu onwe ya na njọ, nke a na-akpata anyaukwu.

**Enweghị Ndidi:** Mgbe mmadụ hụtara onwe ya n'ọnọdụ na-adịghị mma maọbụ n'ọnọdụ ọ na-achọghị, o kwesịrị inwe ndidi, lekwasị Chukwu anya mara ma Chukwu ọ ga-atụgharị ọnọdụ ahụ. Mana onye na-enweghị ndidi n'ọnọdụ a nwere ike itinye aka na ihe ọjọọ maọbụ nwee anyaukwu n'ebe ndị nọ n'ọnọdụ dị mma.

**Ịhụbiga ego n'Anya oke:** Mmadụ ịhụ ego n'anya karịchaa ndụ mmadụ ibe ya, nke a na-ebute anyaukwu n'ihi na ụdị onye dị otu a, nwere ike igbu mmadụ maọbụ mee ihe ọjọọ ọbụla iji nweta ego ọ chọrọ.

**Ntaramahụhụ na-esi na Anyaukwu Apụta:**

- Ndụ onye anyaukwu na-anọ n'ọchịchịrị. Oke iyi egwu na-ejukwa ha anya. Akwụkwọ nsọ kwuru "N'ehihie ka ha na-ezute ọchịchịrị. Ha na-asọgharịkwa isi n'etiti ehihie dịka n'abalị (Job 5:14)
- Ndụ onye anyaukwu na-adị nke nke
- Onye anyaukwu na-ezute ọnwụ ya na mberede.
- Ihe anaghị agara onye anyaukwu n'ihu ma ọlị, ọ na-esi n'otu nsogbu banye na nsogbu ọzọ.
- Obi anaghị eru onye anyaukwu ala, mgbe ọ bụla ọ nọ n'ụjọ.
- Oke ọrịa na-adakwasị onye anyaukwu na ezinaụlọ ya.
- Ahụ anaghị adị ha mma, n'ihi oge ọ bụla onye anyaukwu nọ na echiche.
- Ihe isiike na-adakwasị onye anyaukwu n'ihi na obi anaghị adị Chukwu mma mgbe ọbụla onye anyaukwu na-emegbu nwa ogbenye.

**Ihe a ga-eme Gbochie Anyaukwu**

- Iwepụ ntajianya ma gbaa mbọ hụ na obi dị gị mma mgbe ihe ọma mere onye ọzọ n'ihi onye nabata ihe ọma mere mmadụ ibe ya, ihe ọma eruo ya aka, nke a ga-egbochi anyaukwu.
- Onye ọbụla ga-agba mbọ hụ na o nwere afọ ojuju n'ihe o nwere, ọ ga-enye aka gbochie anyaukwu.

- Nwee ndidi n'ọnọdụ ọbụla ị hụtara onwe gị, ọ ga-ebelata anyaukwu.
- Ịgba mbọ na ịdị uchu n'ọrụ ọbụla onye na-arụ, ga-enye aka gbochie mmadụ inwe anyaukwu.
- Ịnabata etu onye dị ghara ịdị na-achọ ịdị ka onye ọzọ maọbụ nñomie onye ọzọ, ọ ga-enye aka gbochie anyaukwu.

## Atụtụ Nchọcha

A gbasoro atụtụ ngụgọ nke Abrams (2005) dịka Mbah na Mbah (2014) siri rụtụ aka. Atụtụ a na-akọwa ka nkwenye dị iche iche si pụta ihe n'agụmagụ. Atụtụ a ka a ga-eji eme nseke. Na nkwenye ndị Igbo, anyaukwu bụ otu n'ime ajọ omume na-eweta ọdachi dị iche iche, ntaramahụhụ na ọnwụ. Ya mere ndị Igbo ji egosi mkpa ọ dị ịgbara anyaukwu ọsọ. N'ejije atọ a họọrọ e ji eme nchọcha, ndị odee ejije ndị a gosiri ka nkwenye ndị a si pụta ihe na ihe ha na-ede. Ndị odee dere ejije ndị a e ji eme nchọcha webatara nkwenye na anyaukwu adịghị mma site n'emereme agwa ndị ha ji gosipụta anyaukwu na ntaramahụhụ so ya. Atụtụ a bara uru n'ihi ọ na-akọwapụta nkwenye dị iche iche na ihe ndị na-eme n'obodo.

## Nzipụta Anyaukwu n'*Obidiya*

Ejije a bụ Obidiya (1977) nke Akọma dere gosipụtara n'ezie na agụmagụ bụ ugogbe e ji ahụ obibi ndụ ebe agụmagụ ahụ si topụta. Onye gụrụ ejije a ga-ahụ n'ezie otu ndị Igbo si hụ ndụ na akparamagwa ha tinyekwa nhụrụụwa ha maọbụ ihe ha kpọrọ anyaukwu dịka otu n'ime agwa ọjọọ nakwa ntaramahụhụ na-esi na ya apụta.
N'*Obidiya*, isi a hụrụ kwawa okpu n'isiokwu a bụ Oriakụ na ndị ogbuu bụ ndị nwere anyaukwu. Anyaukwu na oke ọchịchọ Oriakụ na enweghị afọ ojuju na ihe o nwere mere Oriakụ amaghị ihe bụ ihe ọjọọ. O chọrọ ịnara Ọnụma ala ya n'ihi na o nweghị ego. E buuru okwu a gaa n'ụlọ ikpe. Mgbe e kpechara ya, ikpe a laara Ọnụma ma Oriakụ jụrụ iwere ihe majistreti kpere n'ikpe n'ihi na ọ na-achọ inwekọta ala naanị ya, ka ọ bụrụ nke ya na ụmụ ụmụ ya, nke a mere o ji were chee na o nwere ike ime ihe ọ bụla ka ala niile bụrụ nke ya. Nke a mere Oriakụ ji were foro ntutu ya taa na ya ga-egbu Onụma n'ụzọ egbe maọbụ mma. Ọ sọghị onye ga-ekwu okwu ọbụladị nwunye Ọnụma bụ Obidiya.

Ihe anyaukwu na-ebute, Oriakụ kpọrọ ndị ogbuu dulara Ọnụma mmụọ. Agwa Oriakụ jupụtara na anyaukwu nke dubanyere ya n'igbu mmadụ

ibe ya. Oriakụ kpọrọ ndị ogbuu were gwa ha ka ha gbuo Ọnụma site n’ịgwa ndị ogbuu sị:

Oriakụ: Achọọla m, chụkwa ya n’ụzọ niile dị iche iche, ike ya agwụla m. A chọrọ m ka e fepụ ya isi, ka majistretị iberibe mata na o nwere kọt ka kọt, ebe anyị na-achị (ihu akwụkwọ 10)

Iji gosi gị na obi na-efe onye anyaukwu n’azụ, ọ naghị enwe obi ebere, obi ya na-abụ obi okwute, onye anyaukwu anaghị eche ihe ga-eme na ikpetemazụ. Nke a mere mgbe ndị ogbuu jụrụ Oriakụ ka o si chọọ ka egbuo Ọnụma. Oriakụ gwara ha:

Oriakụ: Gbupụ ya tụpụ ya<br>Ka o zuru ike ya<br>anwụọ,. (ihu akwụkwọ 10)

Onye anyaukwu anaghị eji mmadụ akpọrọ ihe, ha na-eleda mmadụ anya. Nke a ka anyị hụrụ na ndụ Oriakụ. O ledara nwunye Ọnụma anya, na o nweghị ihe ọ ga-eme. Ma mgbe e gburu Ọnụma, Obidiya wefere obi azụ were menyụọ Oriakụ anya site n’ịga na dibịa were chọpụta na ọ bụ Oriakụ gburu di ya. Nke a mere Obidiya jiri gwa onye dibịa ka o kpochapụ ezinaụlọ Oriakụ.

A hụkwara anyaukwu n’ebe ndị a gburu Ọnụma. Ndị a gburu Ọnụma bụ Ogbuu, Omeife na Diogu. A sị na ha nwere anyaukwu n’ihi na ha nara Oriakụ ego were kweta na ha ga-egburu ya Ọnụma. Ma mgbe ha gbuchara Ọnụma, ha gakwara n’ihu narakwa dibịa Akakaka oke nke ha tupu ha agaa gbuo Oriakụ. A hụrụ anyaukwu ndị a gburu Ọnụma mgbe Oriakụ sị:

Oriakụ: Gbupụ ya tụpụ ya ka m zuru ike,mụ anwụọ.<br>
Omeife: Ị gaghị anwụ. Ozi e ziri anwụrụ ọkụ eruela elu igwe<br>
Oriakụ: E mee otu ahụ, obi m ga-enwe ezigbo añụrị<br>
Diogu: Ñụa mmanya rapụrụ anyị udu<br>
Ogbuu: E gbuo nwa mkpi izuzu alala. Ma ịma ihe dị ebe ahụ.<br>
Oriakụ: Ego. Ama m. Ọ dị chịm.<br>
Omeife: Ị ga-emenụ omenala<br>
Oriakụ: Ọ kwa iri abụọ?<br>
Diogu: Iri abụọ<br>
Oriakụ: Ụnụ ga-ewere ha niile ugbu a, ka unu chọrọ ịbịa ọzọ?<br>
Ha niile: Ngwanụ

A hụkwara ebe ndị a gburu Ọnụma ebe ha nakwara dibịa Akakaka oke nke ha tupu ha ekweta igbu Oriakụ bụ onye nyekwara ha ego ka ha gbuoro ya Ọnụma. A hụrụ nke a mgbe dibịa Akakaka sị,

Akakaka: E nyere m nwanyị ahụ abalị anọ
A chọrọ m ka nke ga-eme mesịa tutu oge ahụ erue

Omeife: Ọ dị mfe. Ị ga-enye anyị gịnị?

Akakaka: Agbata ekee

Ogbuu: Otu a dị mma.

Site n'ihe a gụpụtasịrị, a hụtara na onye anyaukwu a anaghị enwe ihere na ndụ ya. Ọ chọghị ịma onye ụgbọ gburu ya bụ ha achọghị ịma ma ha rụụrụ onye ahụ ọrụ, ebe obi ha na-anọkarị bụ na ego nakwa ihe ha ga-erite na ozi ha na-aga. Onye anyaukwu enweghị enyi. A hụrụ nke a na ndụ ndị ogbuu ndị a. Ha achọghị ịma ma Oriakụ ọ bụ enyi ha, ihe ha chọrọ bụ ego ha ga-enweta n'ọrụ a na-edinye ha.

## Nzipụta Ntaramahụhụ so Ya

N'ihi na ọ bụ iko mmadụ ji amanyere mmadụ ibe ya ka e ji amanyere ya, otu ahụ ka ọ dịkwa n'ebe onye anyaukwu nọ. Odee ejije gbara ajọ agwa a bụ anyaukwu n'anwụ ma gbaa mbọ gosipụta na ntaramahụhụ bụ ihe na-adakwasị onye anyaukwu. Ntaramahụhụ odee zipụtara bịara n'ụzọ ọnwụ. Oriakụ labara ụra mana o tetaghị. Odee ejije a gosipụtara nke a site n'ọnụ nwunye ya bụ Ụgadiya.

Ugadiya: N'isi ụtụtụ eburu m ya ụzọ teta ụra. N'abalị o nweghị oge ọ bụla arụ ọkụ ma ọ bụ nsogbu ọbụla dị añaa dagidere ya ma asị kwa. Emesịala m nri ụtụtụ, wụsịa ahụ, ya onwe etetabeghị ụra. Mkpọkọta ya oku, ọ zaghị. A kwaa m ya aka, o tetaghị. M bitụ ya aka n'arụ, lee ume ya, ebe niile ajụ a gbaa. O nweghi ume ọbụla fọdụrụ ya n'arụ ebe ọbụla. Mkpu adapụ m n'ọnụ. (Ihu akwụkwọ 69)

Ntaramahụhụ Oriakụ akwụsịghị n'ọnwụ ya, ọnwụ gakwara n'ihu gbusịsịa ụmụ ya Chima nke nọ Amerịka na-amụ dọkịnta, gbuokwa ụmụ Oriakụ atọ Omenụkọ, Obiajụnwa na Adamma ndị si na kọleji jee ile Opobo. Nke a gosiri n'ezigbo ntaramahụhụ si n'anyaukwu apụta. Ụbọchị niile bụ nke onye ori, otu ụbọchị bụ nke onye nwe ụlọ.

## Nzipụta Anyaukwu n' *Ọkụ Ghara Ite*

Nke a bụ ejije si n'aka Onyekaọnwụ (1988) bụ nke malitere site n'oke ọchịchọ nke ụwa na umengwụ, mere otu nwoke aha ya bụ Ụkpaabi jiri were banye n'otu nzuzo. Ebe ọ bụ na anaghị agba aka arị ọjị, ndị otu nzuzo a gwara ya na ihe ọ ga-eme tupu o nweta akụnaụba ọ chọrọ bụ igbu nwunye ya, ghụta mkpụrụ anya ya ma betakwa ire ya. N'ihi oke ọchịchọ mere Ụkpaabị jiri kpọọ ndị ogbuu ga-egburu ya nwunye ya. Ụkpaabi kpọrọ ndị ogbuu mmadụ ya na ha ekpebie ego ole a ga-enye ha ka ha wee gbuo nwunye ya. Otu n'ime ndị ogbuu mmadụ ahụ jụrụ Ụkpaabi mgbe ọ chọrọ ka ọ bụrụ na kwa etu ọ ga-esi akpọpụta nwunye ya. Dịka echiche onye anyaukwu, ọ anaghị eche ihe ga-eme n'ikpetemazụ, ọ anaghị enwe obi ebere nakwa onye ihe na-adị ọsọọsọ. Odee gosipụtara nke a dịka okwu o tinyere Ụkpaabi n'ọnụ gwara ndị ogbuu ahụ:

Ụkpaabị: N'uhuruchi taa.
Ọ dị nwanne m nwoke bi na Amanda
Ma a gafee agụ Abọsiteghete.
Aga m ezi ya ozi ọ ga-aga
izi nwanne m nwoke ahụ.
Ebe ọ bụ na unu ahụla ya,
Ma matakwa onye ọ bụ
Ụnụ ga-echebiri ya n'agụ Abọsiteghete
O rute ebe ahụ, kpụrụ ya baa
N'ime ọhịa wee medosịa ihe
Naanị ihe ụnụ ji m ụgwọ ya bụ
Ire ya na mkpụrụanya ya abụọ (ihu akwụkwọ 32)

Ma dịka onye aka ya dị ọcha, chi ya na-azọ ya, ndị ogbuu ahụ egbughị nwunye Ụkpaabi n'ihi arịrịọ nwunye Ụkpaabi rịọrịọ ndị ogbuu ahụ. Ma ndị ogbuu ahụ gwara ya ka ọ gbalaa obodo ọzọ ebe Ụkpaabi agaghị ahụ ya. Ndị ogbuu ahụ gburu agadi nwaanyị nọ n'akụkụ akọga ọrụ, ma bere ire ya na mkpụrụ anya ya abụọ chịgara Ụkpaabi. Nke a mere na ọgwụ ndị otu nzuzo gwọrọ Ụkpaabi ereghị.

## Nzipụta Ntaramahụhụ so Ya

Ntaramahụhụ odee zipụtara bịara n'ụzọ obi erughị ala, ụjọ, oke echiche nakwa ọnwụ. Ụkpaabi nọzi n'oke echiche n'ihi ọgwụ ya ereghị na n'ụjọ ka dibịa Okagbuo gwachara Ụkpaabi na ọ hụrụ ya ka ndị mmadụ na-achọ igbu ya taa taa ma ọ bụ echi echi. Ụkpaabi, ogbu mmadụ ndụ

na-agụ nọzi n'ụjọ, obi eruzighị ya ala. Ọ nọzi na-achọzi ebe ọ na-agbala. Site n'obi erughị ala, Ụkpaabi, nwunye ya o mechara lụọ na Ụmụaka ya abụọ Ekeọdụ na Erimma gbalara Kakanda ebe o chere na ọnwụ adịghị. Ma dịka ụdị otu nzuzo Ụkpaabi banyere nke bụ na onye banye mpụta anọzighị, belụsọ onye ahụ ọ nwụrụ anwụ, chụrụ Ụkpaabi bata Kakanda were gbuo ya. E gosipụtara ọnwụ Ụkpaabị site n'ọnụ otu n'ime ndị ahụ bụ ozu Ụkpaabi mgbe ha mere ka Ekeọdụ nwa Ụkpaabi mara na ọ bụ ozu nna ya ka ha bu.

Otu n'ime ndị ahụ bu ozu:
Ekeọdụ, gịnị ka ị nọ
Ebe ahụ eme? Bịa na ọ bụ gị
ka a na-ebulara ozu a
Ekeọdụ: Ozu onye?
Otu n'ime ndị ahụ bu ozu:Ozu nna gị Ụkpaabị
A sịrị na ọ bụ ndị otu nzuzo sitere Amaeburu zutere
ya n'ụzọ wee kụgbuo ya, wekọrọ ihe ụfọdụ n'ahụ ya
Wee gbalaga (Ihu akwụkwọ 82)

## Nzipụta Anyaukwu n'*Akwa Nwa*

*Akwa Nwa* (1979) nke Chukuezi dere bụ nke malitere site na enweghị ndidi, enweghị afọ ojuju na ihe onye nwere nakwa egeghị ndụmọdụ mere Akụjuobi, onye isiala Ụmụdala bụ onye ndị nwere ndị nwunye ise na igwurube ụmụ ntakịrị juru ezi ya, afọ kwesịrị ịjụ ya na ọmụmụ gbara nwunye ya nke ise bụ Chimma alụkwaghị m kworo maka ọ mụtaghị nwa. N'ihi enweghị afọ ojuju bụ ihe na-ebute anyaukwu mere Akụjuobi egeghị ndụmọdụ ndị obodo, enyi ya nwoke bụ Eke nakwa dibịa ụmụdala dụrụ ya, ka ọ ghara ịchụla nwunye ya bụ Chimma, na ọ chụlaa nwunye ya bụ Chimma na Ụganị ga-ada n'obodo Ụmụdiala, n'ihi na Chimma bụ nwa a gara na be chi were nweta. Akụjuobi egeghị ntị, ọ kpọchiri ntị were chụlaa nwunye ya nke butere ọnwụ, ụnyụ na ọrịa dị iche iche jiri dakwasa obodo Ụmụdiala.

## Nzipụta Ntaramahụhụ so Ya

Ntaramahụhụ odee zipụtara bịara Akujuobi bụ na o si n'otu nsogbu banye na nsogbu ọzọ. Mgbe Akujuobi leghara ndụmọdụ niile ndị mmadụ dụrụ ya were chụlaa Chimma bụ nwunye ya nsogbu dị iche iche malitere mewa. Ụnyụ dakwasara ndị obodo Ụmụdiala n'ihi nwunye Akujuobi bụ Chimma bụ nwa a gara Chi were mụta. Ya bụ iwe chi a dakwasara ndị obodo Ụmụdiala, ka nke a na-eme ka ọ na-ebeleta

ọrịa dị iche iche malitekwara dakwasịwa ha nke nwa Akụjuobi so n'otu n'ime ndị ọrịa metụrụ. A hụrụ nke a site n'ọnụ nwunye Akujuobi nke mbụ bụ Ihudiya, mgbe ọ gwara Akụjuobi na Obike bụ nwa nwoke Akujuobi nwere na-achọ ịnwụ anwụ

Ihudiya: Obike anwụbeghị anwụ
Ma, ka ọ dị ya
Ọ bụzi ọdị ndụ ọnwụ ka mma
Oke ahụ ọkụ ji ya
O wee na-agbọ agbọ kemgbe ụtụtụ (ihu akwụkwọ 58)

N'akwụkwọ a, Akụjuobi bụ nwoke nwere anyaukwu nke dubanyere ya n'ime nsogbu ndị obodo ya hụtara onwe ha.

**Ntule Ejije Atọ Ndị a**

N'ejije atọ ndị a họọrọ, nwanchọcha na-atule ebe ejije atọ ndị a yiri nakwa ndịiche dị n'ejije atọ ndị a.

Ndịiche anyaukwu na ntaramahụhụ dị n'ejije atọ ndị a bụ

| Anyaukwu | Ntaramahụhụ |
|---|---|
| *Obidiya:* Agwa gosipụtara anyaukwu n'ejije a bụ Oriakụ na ndị gburu Ọnụma bụ Ogbuu, Omeife na Diọgụ. Agwa ndị butere ya anyaukwu bụ oke ọchịchọ, mpako, enweghị afọ ojuju nke dubanyere ha igbu Ọnụma kworo maka ala nakwa ego maọbụ ihe a ga-erite ma a rụchaa ọrụ. | Ntaramahụhụ Oriakụ nwetara n'anyaukwu o nwere bụ na Oriakụ na ezinaụlọ ya zutere ọnwụ ha na mberede |
| *Ọkụ Ghara Ite:* Agwa gosipụtara anyaukwu n'ejije a bụ Ụkpaabi. Ihe ndị dubanyere ya n'anyaukwu bụ umengwụ, oke ọchịchọ nke dubanyere ya igbu nwunye ya | Ntaramahụhụ Ụkpaabi nwetara bụ obi erughị ala, ụjọ were malite nke bịara n'ikpetemazụ bụ onwụ ya nke ndị otu nzuzo Ụkpaabị banyere bụ ndị gburu ya. |

| | |
|---|---|
| *Akwa Nwa:* Agwa gosipụtara anyaukwu bụ Akụjuobi. Ihe ndị dubanyere ya n'agwa ọjọọ a bụ anyaukwu bụ enweghị ndidi, enweghị afọ ojuju, egeghị ntị na ndụmọdụ ndị mmadụ nyere ya, nke a mere o jiri gbaa nwunye ya nke ise bụ Chimma alụkwaghị m n'ihi amụtaghị nwa. Nke a butere ya nsogbu dị iche iche | Ntaramahụhụ Akujuobi nwetara bụ na o nweghị ndidi, ogeghị ntị na ndụmọdụ nakwa o nweghị afọ ojuju ya dubanyere ndị obodo n'oke nsogbu nke gụnyere na Ahịanjọkụ nke afọ ahụ enweghị isi, ụnwụ dara n'obodo, ọrịa dị iche iche nakwa ọnwụ dakwasara ndị obodo nke nwa ya nwoke so n'ime ndị dara ọrịa. |

**Myiri Anyaukwu na Ntaramahụhụ dị n'Ejije atọ ndị a Họọrọ**

Myiri anyaukwu na ntaramahụhụ dị n'ejije atọ ndị a bụ na odee ndị a siri n'ụzọ dị iche iche gosipụta nkwenye ndị Igbo nwere n'anyaukwu adịghị mma. Ntaramahụhụ anyaukwu na-egosi onwe ya n'ụzọ dị iche iche. Iwu megidere na onye anyaukwu ga-enweta ntaramahụhụ dịka anyị si hụ na *Obidiya*, Oriakụ zutere ọnwụ ya n'ụzọ na-atụwaghị anya. N'*Ọkụ Ghara Ite*, Ụkpaabi zutere ọnwụ ya n'ụzọ a na-atụwaghị anya. N'*Akwa Nwa*, ndị Akụjuobi na-achị zutekwara ọnwụ n'ụzọ a na-atụwaghị anya.

**Ihe Ndị A Chọpụtara Site n'Akwụkwọ Ejije Igbo A Họọrọ**

N'ime akwụkwọ ejije atọ ndị a họọrọ, anyaukwu niile a hụrụ n'ime ha gbara ama na onye ọbụla nwere anyaukwu nwere ntaramahụhụ na-esi n'ime ya apụta. N'*Obidiya*, a hụrụ nke a na ndụ Oriakụ, onye nke bụ onye oke ọchịchọ, onye ihe o nwere anaghị eju ya nke a mere o jiri wepụ ndụ Ọnụma kworo n'ihi mpekele ala Ọnụma nwere. Mana n'ikpetemazụ, ya na ezinaụlọ ya natara ntaramahụhụ nke bụ ọnwụ.

N'*Ọkụ Ghara Ite*, Ụkpaabi na nke ya bụ onye umengwụ, onye nke hụrụ akụnaụba n'anya karịa nwunye ya dị ime. Anyaukwu ya sitere n'oke ọchịchọ nke akụnaụba nke ụwa, nke mere o jiri banye n'otu nzuzo. Otu nzuzo a gwara ya weta ire na mkpụrụanya nwunye ya abụọ. O nwetakwara ntaramahụhụ ya nke bụ ọnwụ. Ebe n'*Akwa Nwa*, Akụjuobi onye nke na-enweghị afọ ojuju n'ụmụ Chukwu nyere ya nke mere o jiri gbaa nwunye ya alụkwaghịm. Ntaramahụhụ ya bụ nsogbu nke bụ ụnwụ, ọrịa nke gaara iwere ndụ nwa ya.

## Nchịkọta

Site n'ejije atọ ndị a, e zipụtara anyaukwu na ntaramahụhụ so ya. Ndị odee gosipụtara na anyaukwu abụghị ezigbo agwa kwesịrị nñomi. E mere nke a ka ọhanaeze mata nke ọma na anyaukwu na-ebutere mmadụ ihe ndị ọ tụwaghị anya, Anyaukwu na-eweta ndọghachi azụ na ndụ mmadụ ma n'obodo. N'ikpeazụ, ọ bụghị naanị ọhanaeze na-agbarụrụ ihu n'ebe anyaukwu nọ, kama chi kere ụwa kpọrọ ya asị.

## Mmechi

Ọtụtụ ihe na-ebute anyaukwu, ọtụtụ amaghịkwa na e nwere ntaramahụhụ dịịrị anyaukwu. E meela ka ọhanaeze mata na anyaukwu bụ ajọ mmehie kwesịrị ka a gbaara ya ọsọ n'ihi na ọ bụghị ezi ihe. Maka na anyaukwu ga-eme ka obodo anyị ghara ịga n'ihu mana ịgba mbọ, ịdị uchu nakwa inwe afọ ojuju ga-enyere obodo anyị aka ịga n'ihu

## Edensibịa


Akoma, E. (1977). *Obidiya*. Ibadan: University Press.

Baịbụl Nsọ (1999). *Nhazi Katọoli*. Onitsha: Africana-Feb Pubishers.

Chinagọrọm, L.C. (2013). *Uru ezi akanka n'agụmagụ Igbo ugbu a.* Owerri: I.O. Publishers.

Chukwuezi, A.B. (1979). *Akwa Nwa*. Ibadan: African Universities Press.

Dike, G.A. (1989). *Nghọta Mmewere Agụmagụ*. Onitsha: Kawuriz & Manilas Pubishers.

Eụter, E. (1963). *Azụ Ndụ*. Western Way: James Townsend & sons

Hornby (2006). *Oụford Advanced Learners' Dictionary (7th ed.)* New York" University press

Mbah, B.M., Mba, E.E., Ikeokwu, E.S., Okeke, C.O., Nweze, I.M., Ugwuona, C.M., Akaeze, C.M., Ọnụ, J.O., Eze, E.A., Prezi, G.O. & Odii, B.C. (2013). *Igbo Adị*. Enugu: University of Nigeria Press.

Mbah, B.M. Na Mbah, E.E. (2014). *Atụmatụ Amụmamụ Asụsụ*. Enugu: University of Nigeria Press.

Meher, B. (1967). *Discourse.* Volume II San Francisco: Sufism Reoriented p. 27.

Nwadike, I,U, (1992). *Ntọala Agụmagụ*. Nsukka: Ifunanya Pubishers.

Ofomata, C.E. (2003). *Ihe Onye Metere.* Enugu: Format Pubishers.

Ofomata, C.E. (2010). *Ndezu Ụtọasụsụ Igbo.* Enugu: Format Publishers

Ogbalu, F.C. (1981). *Ndụ Ndị Igbo*. Onitsha: University press.

Okafor, C.U. (2011). *Ọgbara Ọhụrụ Asụsụ Igbo*. Onitsha: Harton Publishers.

Okafọr, C.U. & Ewelukwa, U. (2012). *Nhazi Igbo Maka Ule Siniọ Sekọndịrị na Kọleji.* Onitsha: A.C. Global Pubishers.

Onyekaonwụ, G. (1988). *Ọkụ Ghara Ite*. Enugu: Inselberg Publishers.

Onyekaọnwụ, G. (2001). *Ụwa Ntọọ.* Ọnitsha: Africana-Fep Publishers.

Ross, B. (2005). Greed on Wall Street: (https://web .archive. org/web/201201180 71652/http://dream_theimpossible.blogspot.com/2009/01/greed_is_good_discuss.html) on January 18, 2012 Retrieved October 4, 2011

Uzọchukwu, S. (2004). *Akanka Agụmagụ na Nnyocha Agụmagụ Igbo*. Onitsha: Kawuriz & Manilas Publishers.